Ọbara Nsọ Nwaanyị Dịka O Siri Metụta Ndụ Na Omenala Nsụka Nke

Ihedigbo Ruth Ebere
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka
+2348034722818
ebereihedigbo@gmail.com

Ezesinachi Juliet Ngozika
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka
+2348033223859/+2348154751685
ngozi.ezesinachi@unn.edu.ng/sinachijully@gmail.com

Na

Nkechi Eze
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka
+23408030998061

Ụmi

Nchọcha a na-eleba anya n'ọbara nsọ nwaanyị dịka o siri metuta ndụ na omenaala ndị Nsụka. Mbunuche nchọcha bụ igosipụta etu ndị Nsụka si ahụta ọbara nsọ nwaanyị n'obodo ha. Ndị nchọcha bụ ụmụ nwaanyị Nsụka. Nke a mere ka ha bụrụ ndị nji atụle nke mbụ. Ha nwetakwara njiatule ndị ọzọ site n'ajụjụ ọnụ a gbara ndị okenye isii, ụmụ nwoke atọ na ụmụ nwaanyị atọ ndị gbarala afọ iri asaa gbagowe. Atụtụ e jiri tụchaa njiatụle a bụ atụtụ omenala na atụtụ ndịnọrụ. Nchọcha a gosiri na ndị Nsụka ji anya abụọ ahụta ọbara nsọ nwaanyị. Nke mbụ bụ dị ka ihe ruru inyi na ihe na-asọ oyi nke abụọ bụrụ dị ka ihe bara oke uru. Nchọcha a na-adụ ụmụ agbọghọbịa na-etolite etolite na Nsụka ọdụ ka ha ghara ime ihere ọbụla gbasara nsọ ha n'ihi na e wepu ya, ha abụghịzi ụmụ nwaanyị.

Abstract

This study undertakes the significance of menstrual blood in Nsukka. The major objective of the study is to find out how menstrual blood is viewed by Nsukka people. The researchers are women therefore they became the first source of data. They also interviewed six elderly people, three elderly men and three elderly women aged above seventy years for more data. The theoretical frameworks adopted are ccultural theory and functionalism. The research found out that Nsukka people view menstrual blood in two perspectives. First as dirty and abominable and second as very useful. This study advices Nsukka young ladies not to be shy or ashamed of this blood because without it, they are no longer women.

Mkpọlite

Omenaala dịka a maara bụ ihe a na-eme n'ala ndị. O nweghi onye maara mgbe o bidoro, nke e ji ama onye malitere ya mana ihe doro ma ewu na ọkụkọ anya bụ na ọ bụ e tote, e tokwuru Nke a pụtara na ọ na-esi n'aka fere n'aka maọbụ site n'otu ọgbọ gafee n'ọgbọ ọzọ. Omenaala gunyere akaọrụ, nkwenye, okpukperechi maọbụ amamihe nke igwe mmadụ nwekọrọ ọnụ ma na-ahanyekwa ya n'aka ụmụ ha site n'agbụrụ ruo n'agbụrụ (Ofomata 2007).

Nsụka bụ obodo na-akpachapụrụ ndụ, omenaala na nkwenye ha dị iche iche anya nke ọma. Ha nwere nsọala dị iche iche ha na-asọ dịka ịgbu ọchụ, izu ohi, ịkwa iko maọbụ nwaanyị nọ na dị ịgakwuru nwoke ọzọ nwee mmekọ, inye nsi na ihe ọjọọ ndị ọzọ dịgasị iche iche. Ha nwere iwu ndị ha ji echekwa onwe ha nke ha ji ezere imeru ala nakwa iji hụ na omenaala na nsọala ndị a na-aga n'ụzọ kwesiri ekwesi. Ha na-agbarụrụ onye ọbụla danyere na nsọala ndị a ihu nke ha na-akpọ arụ. Arụ bụ omume na akparamagwa niile megidere ndụ. Chukwu Abịama na mmadụ na-asọ arụ nsọ. Arụ bụ agwa ọjọọ nke Ala na ọhanaeze na-ezere n'ihi na ha kwenyere na ọ na-eweta ntaramahụhụ, ọgba aghara na nsogbu n'obodo.

Ihe gbasara omenaala, nkwenye na emume ọdịnaala e ji mara ndị Nsụka malitere kpụba afọ n'ala kemgbe ekpemekpe Kraistị batachara n'ala Nsụka. Ihe kpatara ọnọdụ dị etu a bụ na ụfọdụ ndị ekpemekpe ọdịnaala bawaziri ụka n'ike n'ike ma gbakụtazie omenaala, nkwenye nakwa ekpemekpe ọdịnaala Nsụka azụ. Ha na-ahụtazi ndị na-eme ụmụ ihe omenaala ndị a ka ụmụ ekwensu na ndị nọ

n'ọchịchịrị. Ọzọ bụ na ndị okenye, ndị omenaala ndị a doro anya na-anwụchazị anwụ, ebe ụmụ okorobia na agbọghọbia ụfọdụ na-aga n'obodo mepere emepe achọ akaraka ha. Onye pụọ, o soro omenaala ndị obodo ọ gara be ha chefuo nke Nsụka. Nke a mere na a naghị elebakwa anya n'ihe gbasara omenaala na nkwenye ha dịka ọ dị n'oge gboo.

N'ala Igbo, obara nsọ nwaanyị bụ ihe a na-ewere ka ihe dị nsọ ma na-asọ oyi ịkpọpụta aha n'igwe mmadụ maka na ọ na-abụ ihe kwuụrụ, ihe ọzọ akwụdebe ya. Nsọ nwaanyị nwere usoro na ọrụ ọ na-arụ n'ala Igbo niile ọkachasị n'ala Nsụka Asadụ Ideke Arụmọna. Ọ bụghị naanị nke a, ndị ekpemekpe dị iche iche nwekwara anya ha ji ahụta nsọ nwaanyị dịka nkwenye na okwukwe ha siri di.

Ọtụtụ ndị odee na ndị nchọcha edeela ederede gbasara isiokwu a bụ 'nsọ nwaanyị'. Ndị a gụnyere Idoko na ndị ọzọ (2023), Umeọra na Egwuatụ (2008), Sommer (2013) dgz.

Site na nchọcha ndị a meerela, o nweghị nke gbadoro ụkwụ na nsọ nwaanyị na Nsụka. Nchọcha a gbakwasara ụkwụ n'ọnọdụ nsọ nwaanyị dịka ọ dị n'okpuru ọchịchị Nsụka.

Ndị nchọcha achọpụtala n'ụfọdụ ụmụ nwaanyị na Nsụka amaghị uru nsọ ha bara. Ụfọdụ bụkwa ndị ọ na-eme ihere. Nchọcha a ga-eme ka ụmụ nwaanyị Nsụka ghọta nke ọma ihe ọnọdụ a bụ nye ndị Nsụka.

Ụmụnwaanyị nwere ka Chukwu Abịama siri kee ha nke diwagara iche n'okike nakwa ọdịdị nwoke. O nwere ụfọdụ ihe mgbanwe nke na-apụta ihe n'ahụ nwaanyị iji gosi na onye ahụ etoputala ihe e ji nwaanyị eme. Ụmụnwoke nwekwara ihe ụfọdụ na-agbanwe n'ahụ ha iji gosi na onye ahụ e toola ihe e ji nwoke eme. Ụfọdụ ihe ndị na-agbanwe n'ahụ ụmụnwoke bụ olu ha. Olu ha na-agbawapu dawazie ka olu okenye. Ha na-agbakwa aji n'ebe dị iche iche dịka n'ihe ha jiri bụrụ nwoke, n'obi ya nakwa n'ọnụ ha nke a na-akpọ afọọnụ. Uto ụmụnwoke na-emekwa "vum" n'oge a. N'aka nke ọzọ, ihe e ji amata na nwaanyị e toruola ihe e ji nwaanyị eme bụkwa ịgba ajị n'ihe o jiri bụrụ nwaanyị, ịkpụ ara nakwa ihu nsọ ya. Nsọ nwaanyị bụ ọbara nke na-apụta ụmụnwaanyị n'ahụ kwa ọnwa. Ọbara a dịka anyị kwurula na mbụ na-egosi ntozu oke nke nwaanyị n'ihi

na nwaanyị ahụghị nsọ ya abụghị nwaanyị. Ọ bụ ileba anya n'etu ndị Nsụka si ahụta ọbara a ka nchọcha a gbadoro ụkwụ.

Ntụleghari Agụmagụ

N'ebe a, a ga-atụlegharị ụfọdụ agụmagụ ndị mmadụ deerela n'ihe gbasara ọbara nsọ nwaanyị. Ọbara nsọ nwaanyị bụ nnọọ ihe ọtụtụ ndị mmadụ rụtụrụla aka n'ụzọ dị iche iche.

Ọrụ ndị Arụrụla Metutara Isiokwu

Ọnọdụ ụmụnwaanyị na ihe gbasara nsọ ha bidoro n'oge gboo. Omenaala Igbo nakwa nke Nsụka hụrụ nwaanyị dịka onye adighị ike ya na onye mba ọzọ. Ọ na-egosikwa ha dịka ndị enwe enwe. Iji kwado echcihe a, Agbasiere (2000) na nchọcha ya gosiri ụmụ nwaanyị dị ka ndị a na-ekwesighi ịhụ anya maọbụ na olu ha oge ọ bụla. Nchọcha ya gbadoro ụkwụ n'ilu Igbo nke na-ekwu na ebe nwaanyị na-acha ọbara bụ n'ikpu ọ bụghị n'anya. O kwukwara na ha kwesiri ịdị nwayọọ ma bụrụkwa ndị gbasiri ike n'ọrụ. Mana nchọcha a na-eleba anya n'ọnọdụ ụmụnwaanyị ọkachasị mgbe ha nọ na nsọ ha. Nchọcha abụọ a yiri onwe ha maka na ha abụọ na-elebara ọnọdụ ụmụnwaanyị anya mana ha dị iche n'ịkọwa ihe gbasara ọbara.

Ọdịdịka na Umeora (2008) mere nchọcha n'ihe gbasara nsọ nwaanyị n'etiti ụmụnwaanyị ndị nọ n'ime obodo dị n'ọwụwa anyanwụ Naijịria. Ha chọpụtara ihe mgbụ ha na-agabiga dịka enweghi ego paadị, ahụ mgbu n'ihi ọrụ ike, erighi ezigbo nri ya na ka omenaala si ahụta ọnọdụ ha mgbe ha nọ n'ọnọdụ nsọ ha a. Ederede ha na nke a yiri onwe ha n'ihi na ha abụo na-ekwu maka ọnọdụ ụmụnwaanyị nọ na nsọ ya na omenaala ma ndị iche ha bụ na ebe Ọdịdịka na Umeora na-ekwu maka ụmụnwaanyị ndị nọ na nsọ n'ọwụwa anyanwụ Naijịria gba gburu gburu, ederede a na-ekwu kpọmkwem maka nsọ nwaanyị n'ala Nsụka.

Adediran (2015) mere nchọcha n'ihe gbasara nwa agbọghọ amaghị nwoke n'ala Yoruba ya na mkpa ọ dịrị dị na nwunye ọkachasi n'alụm dị na nwunye. N'iji chọpụta ma nwaanyị ọ marala nwoke tupu ọ lụọ dị, ha na edebe akwa ọcha n'elu akwa ndịna ya na dị ya. Omenaala a alawala azụ nke ukwu maka na ka atụ na-eto ka mpi ya na-arọ n'ihe gbasara ịwa anya na mmepe obodo. Ederede abụo a yiri maka na ha abụọ na-ekwu maka ọbara mana ndịiche ha bụ na ọbara nke Adediran

na-ekwu maka ya bụ ọbara si n'ịma nwoke mbu ebe nke a na-ekwu maka ya bụ ọbara sin a nsọ nwaanyị.

Oladimeji (2016) mere nchọcha gbasara ego ọbara n'ala Yoruba. Ọ gbara ụfọdụ okenye ndị Modakeke ajụjụ ọnụ iji nweta njiatule ya. Nchọcha ya gosiri na e nwere ụzọ ego ọbara abụọ. Nke mbụ bụ nke nne na nna na-eme iji gbochie afa ọjọ a gbara n'isi ụmụ ha dịka nọ chi ọjọọ. Nke a anaghị enwe nkwafu ọbara. Nwatakịrị ahụ anaghịkwa ama ihe ndị mụrụ ya mere ma ọ bụrụgodu na ha anwụcha.

Nke abụọ bụ nke ndị nwere ego ma ndị na-achọ inwe ego na-eme iji nweta ego. N'ụdọ ego ọbara, a na-aegbunyere ya mamdụ nke na-ebutekwara ndị na-eme ya ọnwụ ike. Nchọcha a na-nke anyị ji n'aka yiri n'ihi na ha abụọ na-eleba anya n'ihe gbasara ọbara mana nchọcha ha bụ na ebe Oladimeji (2016) na-eleba anya n'ego ọbara, nchọcha nke a na-eleba anya n'ọbara nsọ nwaanyị na Nsụka.

Adelowo (2016) mere nchọcha gbasara ngụgọ, ọdịmara na akara n'okpukperechi ndị Yoruba. Mbunuche ya bụ ikwugharị ma gbaghakwaa ihe ndị ọcha kwuru gbasara okpukperechi na nkwenye ndị mba Afrịka. Otu n'ndị echemeche ndị ọcha a nke Adelowo chọrọ ịgbagha site na nchọcha ya bụ nke Baudiri kwuru si na ndị mba Afrịka ịsị na ha nwere ndị ọzọ na-abụghị Chukwu Okike Abịama bụ ihe mkpari nye Chukwu. Nchọcha ya gosiri na ụmụ chi ndị a ndị mba Afrịka na-efe bụ ụmụ Chukwu nke bụ Chukwu Abịama kere elụ igwe na uwa. Nchọcha Adelowo (2016) yiwere nchọcha e ji n'aka n'ihi na ha abụo lebara anya na nkwenye mana ndịiche dị na ha abụo bụ na ebe Adelowo (2016) chọchara nkwenye ndị mba Afrịka na ụmụ obere chi dị iche iche, nchọcha ana-eleba anya na nkwenye ndị Nsụka nwere ebe ọbara nsọ nwaanyị dị.

Akinduro (2016) mere nchọcha gbasara ọbara nsọ nwaanyị n'omenala ndị Yoruba. Mbunuche nchọcha ya bụ ịchọpụta ụrụ ọbara nsọ nwaanyị n'ala Yoruba. O ji ajụjụ ọnụ a gbara ụfọdụ mmadụ nweta njiatule. Nchọpụta ya gosiri na ọbara nsọ nwaanyị bụ nnukwu ihe a na-asọpụrụ asọpụrụ n'ala Yoruba ebe ndị Igbo na-asọ ya oyi. Nchọcha gosikwara na ndị Yoruba kwenyere na ara, ọtụ na ọbara nsọ ya bụ ebe ike ha dị. Ndị Yoruba n'ahụ ọbara nsọ nwaanyị dịka ihe nsacha nke na-asapụ ụnyi otu ọnwa n'ahụ nwaanyị ma gosikwa ọmụmụ. Ebe nkwenye ndị Yoruba na ndị Igbo ji dị iche gbasara ọbara nsọ nwaanyị bụ na ndị Igbo na-ahụta

ya ka ihe ruru inyi na-asọkwa oyi. Myiri dị n'ọrụ Akinduro (2016) na nke a e ji n'aka bụ na ha abụọ lebachara anya n'ihe gbasara ọbara nsọ nwaanyị mana ndị iche dị na ha abụo bụ na ebe Akinduro mere nchọcha gbasara nkwenye ndị Yoruba gbasara ọbara nsọ nwaanyị nchọcha a na-eleba anya na nkwenye ndị Nsụka Igbo gbasara ọbara nsọ nwaanyị.

Idoko, Okafor na ndị ọzọ (2023) mere nchọcha banyere nghọtahie na nsogbu a na-enwe n'ihe gbasara ahụike mgbe nwaanyị nọ na nsọ. Ha chọpụtara na nsogbu na-abịakarị n'ọnọdụ a n'ihi enweghi ezigbo nkuzi banyere ya tupu nwaanyị ebido hụwa nsọ ya dịka o siri metụta omenaala na agbụrụ nwaanyị ahụ hụtara onwe ya. Ha kwukwara na nsọ nwaanyị n'agbanyeghị ka nkwenye ndị ọbụla siri dị agaghị egbochi ahụike na ịdịọcha nke anụ ahụ. Nchọcha ha na nke a yiri onwe ha maka na ha abụọ na-ekwu maka nsọ nwaanyị dịka o siri metụta omenaala na ịdịọcha mana ebe ha na-ekwu maka nsọ nwaanyị dịka o siri metụta ụmụnwaanyị niile nọ na mba ụwa, ederede a na-ekwu maka nsọ nwaanyị dịka o siri metụta ụmụnwaanyị ndị Nsụka na omenaala ha.

Atụtụ Ntụcha Data

Atụtụ omenala

Atụtụ njiatule nke nchọcha a gbadoro ụkwụ na ya bụ atụtụ omenala nke Raymond Williams na E. Thomson (1963). Atụtụ ha na-agbado ụkwụ na ntụcha omenala na ihe na-eme na ndụ mmadụ, omenala na ihe na-eme na gburugburu anyị nakwa ndịiche dị n'omenala abụọ ma ọ bụ karịa. Atụtụ Raymond na Thomson gbasara omenala mepere anya ndị mmadụ ka ha na ahụta omenala n'ụzọ ndị ọzọ dịgasị iche iche karịa omenala dịka o si metuta agụmagụ sọọsọ.

Atụtụ a dabara n'isiokwu nchọcha anyị n'ihi na ọbara nsọ nwaanyị gbasara ndụ mmadụ, ebe etu ndị Nsụka si ahụta ọbara a metutara omenala ha.

Atụtụ ndịnọrọ

Onye tuputara atụtụ ndịnọrụ bụ Emile Durkheim. Mbunuche ya na ntụpụta atụtụ a bụ igosi etu obodo dị iche iche dị n'obodo ma ọ bụ ngalaba dị iche iche dị n'obodo si enye aka na ikwalite obodo site n'ọrụ dị iche iche ha na-arụ n'ime obodo. Atụtụ a bara uru na nchọcha a n'ihi na ọbara nsọ nwaanyị nwere ọtụtụ uru

ọ na-abara ndị Nsụka. Nke na-enye aka eme ka obodo Nsụka na-eto eto nakwa na-aga n'ihu dịka ịgwọ ha ọrịa, imebi ọgwụ na ọrụ ndị ọzọ.

Nchịkọta Ntụlegharị Agụmagụ

Ọrụ a dị mkpa n'agbanyeghị ọtụtụ nchọcha emerela na ya, n'ihi na onwebeghi onye nchocha lebara anya n'ọbara nsọ nwaanyị dịka o siri metụta omenaala Nsụka , ihe mgbu, akaje na obi ezughi ike ụmụnwaanyị na-anọ n'ime ya mgbe ha nọ na nsọ dị ka ndị nchọcha si madebe. Ederede a ga-enye aka ịkwalite omenaala Igbo ọkachasị nke Nsụka n'ebe ọ dị ukwu gbasara obara nso nwaanyi.

Ntụlegharị atụtụ na ntụlegharị ihe ndị ọzọ e derela gbasara isiokwu metụtara nke a na-egosi na ọtụtụ ndị nchọcha elebaala anya na ngalaba atụtụ nduzi asụsụ omebe ndị. Nke a bụ iji nyochaa omenaala mara ma ọ na-eto eto ka ọ na-ada mba. N'aka nke ọzọ, ọtụtụ ndị nchọcha elebakwala anya n'atụtụ *ndịnọrụ* nke mere ka o doo anya na ihe niile dị n'ụwa nwere uru ọ bara ma ọ dị ndụ ma ọ nwụrụ anwụ. Ọtụtụ ndị nchọcha elebaala anya n'ihe gbasara ọnọdụ ụmụnwaanyị n'oge gboo, na nke ọgbara ọhụrụ, nsọ ha na etu o siri metụta omenaala.

N'ịchịkọta ntụlegharị agụmagụ, atụtụ nchọcha dịka o siri metuta isiokwu a bụ atụtụ omenala, nke gbadoroo ụkwụ n'inyocha nkwụgide omenaala, ma ọ na-eto eto ka ọ na-ada ada, ya na atụtụ ndịnọrụ nke mere ka anyị mata uru dị n'ihe niile Chineke kere ma nke na-eku ume ma nke anaghị eku ume.

Ntụcha Data

Ọtụtụ agbụrụ na mba ụwa nke Nsụka bụ otu n'ime ha nwere nkwenye na omenaala dị iche iche metụtara ụmụ nwaanyị ọkacha mgbe ha nọ na nsọ. Iwu ha na akparamagwa ha n'ọnọdụ a na-agbanwe site n'obodo ruo n'obodo na sitekwa na nwaanyị ruo na nwaanyị. Ka anyị lebaa anya n' ụfọdụ nkwenye ndị Nsụka dịka ọ si metuta ọbara nso nwaanyị.

(1) Nsọ nwaanyị n'ihe gbasara ọmụmụ: Nwaanyị na-ahụ nsọ ya bụ nwaanyị zuru ezu na nwaanyị, nke na-egosi na onye ahụ abụghị oke. Nke a pụtara na ngwa nwaanyị ji ebu nwa n'afọ ma mụọ ya zuru oke n'ahụ ya.

Nwaanyị na-ahụ nsọ ya ọnwa ọbụla. Nke a na-ebido mgbe nwata nwaanyị banyere n'ogo nwata nwa agbọghọbia nke na-ebido n'agbata afọ iteghete ruo n'afọ iri na ise. Afọ nwata nwa agbọghọbịa ji amalite ihụ nsọ ya n'esite n'ọtụtụ ihe nke gụnyere ụdị nri ọ na-eri, ụdị ọrụ ọ na-arụ nakwa agbụrụ o si na ya pụta. Mgbe nwaanyị na-ahụ nsọ ya, ọbara na-apụta ya n'ahụ. Ọbara a na-agbagide ruo mkpụrụ ụbọchị atọ ruo na isii dịka ahụ mmadụ siri dị were kwụsị. N'ime mkpụrụ ụbọchị ole na ole ndị a, ọbara nwereike imetụta ma nwoke ma nwaanyị, metọọ akwa ndịna ha, akwa ha yị n'ahụ na nke ha gbanyere n'elu akwa ọkachasị mgbe ọbara na-apụta nnukwu. Ndị Nsụka kwenyere na nwaanyị ọbụla na-ahụ nsọ ya etuzuola ịmụ ọmụmụ.

Uru nsọ nwaanyị na-abara ndị Nsụka, ma nwoke ma nwaanyị

Nsọ nwaanyị na-egosi na nwaanyị bụ nwaanyị ma zuo oke n'ihe e ji nwaanyị eme maka na ọ bụrụ na nwaanyị ahụghị nsọ ya were ruo ihe e ji nwaanyị eme, ọ na-egosi na ezigbo nsogbu dị n'ahụ ya. Nke a mere na nwaanyị bido ịhụ nsọ ya, ọ na-abụ ezigbo ihe ọñụ nye ndị mụrụ ya.

Ọbara si n'ahụ nwaanyị apụta mgbe ọ nọ na nsọ bara ezigbo uru na ndụ ndị Nsụka maka na okwukwe onye na-edu ya ebe nkụ dị na mba, na-eghere mba nri. E ji ọbara si na nsọ nwaanyị egbochi ihe ọjọọ dịka nsị na aja ma e jizie ya nke ọma. A na-eburu mmiri asachapụtara n'ahụ nwaanyị nọ na nsọ wusaa n'ebe a wụsara nsi na aja ma mebie ike dị na ya, nke a ga-eme ka ọ ghara ịdị ire ọzọ.

E ji ya agwọ ọrịa n'ahụ mmadụ ma ọ bụrụ na ị soro usoro kwesiri ekwesi. Ụfọdụ ọrịa ndị a bụ ọrịa eritere na nsi maọbụ zọta n'ụkwụ nke na-aza aza maọbụ arịgharị mmadụ n'ahụ.

E ji ọbara si na nsọ nwaanyị etigharị ndị ajọ mmadụ anya mgbe e jiziri ya nke ọma dịka usoro ya siri dị. Nke a ga-eme ka anya ndị ajọ mmadụ pụọ n'ahụ gị, ezinaụlọ gị na kwa ebe ị na-azụ ahịa maọbụ arụ ọrụ.

Mgbe nwaanyị nọ na nsọ ka o ji enwe ohere ịnọrọ onwe ya, nwee ezi mmekọrịta n'etiti ya na chi ya ma chepụta ihe ga-abara ya uru na ndụ ya n'ihi na n'oge a, anaghị atụ anya ka o nwee ike mechaa ihe niile o kwesiri ime dịka ibe ya n'ihi ọnọdụ ya.

N'aka nke ọzọ, a na-ahụta nsọ nwaanyị dịka oge nsachapụ iru inyi nke ime ahụ nwaanyị nke a mere na ọ dịghị mma nwoke na nwaanyị inwe mmekọ n'oge a. Ọ bụkwa n'ihi ụdị anya a ndị Nsụka ji ahụta ọbara a na-eme ka nwaanyị nọ na nsọ ha ghara isiri di ya nri.

Nsogbu nsọ nwaanyị na ndụ ndị Nsụka na omenaala ha

Ndị Nsụka kwenyere na nwaanyị nọ na nsọ ruru inyi. Nke a mere na mgbe ọ bụla ha nọ na nsọ ha, ha na-a nọrọ iche dịka ndị a na-emegbụ emegbụ. Ha anaghị anọ n'ọgbakọ maọbụ n'igwe mmadụ. Ha anaghị anọ ebe a na-agọ arụsị. Ọ bụrụ n'ụlọ okpukperechi, ha anaghị abanye ya, ha banyegodu, ha na-anọ n'azụ oche. Ha anaghị emetụ mmadụ ahụ maọbụ aka. N'oge gboo, a na-ewe ha dịka ndị bu ọrịa na-efe efe. Ndị lụrụ dị anaghị e siri dị ha nri ruo mgbe ọbara a kwụsịrị ịpụta. Ụmụ nwaanyị nọ n'ọnọdụ a na-anọ n'ihe ihere na obi mgbawa.

Ọnọdụ ụkọ mmiri, ebisapụghị ebisapụ na nkewa na-emetụta nsọ ụmụnwaanyị n'ala Nsụka n'oge gboo. Nke a bụ maka na Nsụka bụ ala ụkọ mmiri kemgbe ọtụtụ afọ gara aga. Nke a na-eme ka ụmụnwaanyị nọ na nsọ nọrọ na mwute n'ihi ahụghị mmiri ha ji edobe onwe ha ọcha. N'aka nke ọzọ, nkewa n'etiti ndị nwaanyị, otu dị na-alụ ha na ebisapụghị ebisapụ na-ebutekwa nsogbu na-ebe ndị nọ na nsọ nọ n'ihi nleda anya na nsọmooyi.

Akụkọ dị iche iche akọọla maka nsọ nwaanyị nke buterela nsogbu dị iche iche n'ebe ụmụnwaanyị nọ. Nkwenye dị iche iche adịkwala maka ijiri ihe sitere n'ahụ ụmụnwaanyị dịka paadị gwọọ ọgwụ nke na-ebute amụghị nwa n'ọdịnịihu maọbụ bute alụghị di, agaghị n'ihu na ọrịa ekwe ngwọta.

Nwaanyị nọ na nsọ anaghị aga esi nri n'usekwu maọbụ ya na nwoke inwe mmekọ maka na onye ahụ nwereike ibute ọrịa dị iche iche n'oge a.

Nchịkọta na Mmechi

Nchọpụta gosiri na ndị Nsụka ji anya abụọ ahụta ihe gbasara nsọ nwaanyị. Nke mbụ bụ na ha na-ahụta ya dịka ihe ruru inyi ma na-asọkwa oyi. Nke a mere ha ji ewere nwaanyị nọ na nsọ dịka onye rụrụ arụ ma na-asọ ya oyi. N'agbanyeghi nke a, ndị Nsụka ji anya ọzọ ahụta ya nke bụ ihe nrite dị na ya na uru nsọ nwaanyị bara na ndụ ha. Anyị ahụla na ha ji ya agwọ ọrịa, mebie ma gbochie nsi na aja ma

were ya tigharịa ndị ajọ mmadụ anya site n'etu e si hazie ya. Nsachapụ unyi nke ime ahụ na-esitekwa na nsọ nwaanyị tinyere ọtụtụ ụrụ ndị ọzọ ọ na-abara ndị Nsụka. Anyị esila n'ederede a were hụ na nkụ dị na mba na-eghere mba nri. Nsọ nwaanyị bara ọtụtụ uru n'ala Nsụka, ka anyị kwenyere ya ugwu ma dobe ya asọ maka na nkụ dị na mba na-eghere mba nri.

Nchọcha a na-adụ ụmụ agbọghọbịa na-etolite etolite ọdụ ka ha ghara ime ihere ọbụla gbasara nsọ ha n'ihi na e wepu ya, ha abụghịzi ụmụ nwaanyị.

Edensibịa

Adediran, P. (2015). Traditional virginity in Yoruba kingdom. Information Parlour.com-article-culture.

Allard, R. & Landry, R. (1986). Subjective ethnolinguistics vitality viewed as a belief system. *Journal of Multilingualism Development*, 7, 1-12.

Bourhis, R.Y., Giles, H. & Rosenthal, D. (1981). Notes on construction of a subjective vitality questionnaire for ethnolinguistic groups. *Journal of Multilingual and Multicultural Development*, 2(2): 145-149.

Breen, S.D. (2001). Ecocentricism, weighted interest and property theory. https://www.tanfoline.compdf

Egwuatu & Umeora, (2008). African belief on menstrual blood. www.researchgate.net>publication.

Idoko, L., Okafor K. et al (2003). Facilities and misconceptions concerning menstrail health and menstrual hygiene. www.girlsglobe.org?2019/05/27>

Odidinka, J. and Umeora, J. (2008). Menstruation in rural Igbo women of South East Nigeria: Attitudes, beliefs and practices. African Journal of reproductive health. 12(1) 109-115.

Giles, H., Bourhis, R.Y. & Taylor, D. (1977). Towards a theory of language in ethnic relations. Na H. Giles (ohz), language, ethnicity and intergroup relations (ihu. 307 – 348). London Academic press.

Ofomata, C.E. (2007). Ndezu ụtọasụsụ Igbo. Nke ndị Junịọ Sekọndịrị. Format publishers Nigeria Ltd, Enugu.

Adelewo, D. (2013) Rituals, symbolism and symbols in Yoruba traditional religious thought. www.obafemio.com

Oladimeji, M. (2010) Traditional Yoruba society. The truth behind blood money www.nairaland.com. Traditional Yoruba.

Ndị a gbara ajụjụ ọnụ

	Aha	**Afọ**	**Aka ọrụ**	**Obodo**
1.	Maazị Odo Odoke	78	Ọrụ ugbo	Eziani
2.	Maazị chika Ezugwu	81	Ọrụ ugbo	Nru
3.	Maazi Chinwe Ugwuoke	72	Ezumike nka	Ama Ukwa
4.	Oriakụ Ada Adaoga	75	Ọrụ ugbo	Ọdọrụ
5.	Oriakụ Agnes Ugwuoke	73	Ezumike nka	Okpuje
6.	Oriakụ Josephine Nnadi	80	Ọrụ ugbo	Ibagwa-anị